# IGBO CATHOLIC COMMUNITY OF NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH,
# BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: PENTECOST
## SUNDAY, MAY 24, 2026

**HYMNS:**

ENTRANCE: K'ANYI JEE N'ULO CHUKWU
OFFERTORY: ONYINYE GI/ONYINYEOMA/…..
CONSECRATION: EZI CHUKWU NARA AJA
COMMUNION: BIA NARANU M RIE
POST COMMUNION: O SACRAMENT MOST HOLY
DISMISSAL: TIENU MKPU ONU

**UKWE MBATA**
A wusaala ihunanya Chineke n'obi anyi, site na Mmuo Ya nke bi n'ime anyi, aleluya.

**EKPERE MMEGHE**
Chineke, Onyenweanyi, site na amara nke oriri nke ubochi taa, I doro Nzuko Gi nso na mba nile na ebe nile. Biko mee ka Mmuo Nso Gi biakwasi uwa nile. Mgbe ahu I nyere uwa ozioma Gi ka I mere ka ike nke amara Gi puta ihe. Anyi na-ario Gi ka I mee ka amara ahu juputakwa ugbu a n'obi ndi nile kwere na Gi. Site na Dinwenu anyi.

**IHE OGUGU NKE MBU Oru Ndi Ozi 2:1-11**

***Isi Okwu: Ha nile wee juputa na Mmuo Nso, wee malite ikwu okwu***
Mgbe ubochi Pentikost ruru, Umuazu Jesu zukoro n'otu ulo. Na mberede, oke uzu dika nke oke ifufe na-efesi ike wee si n'eligwe, juputa ulo ahu dum ebe ha no. Ha wee hu ihe dika otutu ire oku ka ha na-ekesa onwe ha, nokwasi n'isi onye o bula n'ime ha. Ha nile wee juputa na Mmuo Nso, wee malite ikwu okwu n'asusu di iche iche, dika Mmuo Nso ahu si nye ha ike ikwuwa okwu. Na mgbe ahu otutu ndi Juu, ndi na-atu egwu Chineke, bi na Jerusalem; ndi si na mba nile di n'okpuru anyanwu bia. Mgbe ha nuru uzu a, oke igwe mmadu wee gbakoo. Ihe a wee gbaa ha gharii, n'ihi na onye o bula n'ime ha na-anu ka ndi ozi Jesu na-ekwu okwu n'asusu nke ala ya. Ibobo wee nwuo ha nile n'ahu. O jukwara ha anya, nke mere ka ha jua si: "I nukwanu! O bukwa ndi a na-ekwu okwu bu ndi Galili? O lee otu anyi nile n'otu n'otu si anu ihe ha na-ekwu n'asusu ala a muru anyi? Anyi si mba di iche iche bia: E nwere ndi Patia na ndi Media na ndi Elam, na ndi Judia na Kapadosia, na ndi si n'ime Pontos na Esia; e nwekwara ndi si na Frijia na Pamfilia, ndi si Ijipt n'akuku Libia nke di Sirini nso, na ndi obia si na Rom bia. Ma ndi Juu ma ndi mba ozo, ndi a kpobatara n'okpukpe nke ndi Juu; ndi Krit na ndi Arebia. Anyi nile na-anu ka ha na-ekwu n'asusu anyi di iche iche, okwu banyere oke oru nile nke Chineke."
***Okwu nke Oseburuwa***
***Ekele diri Chukwu.***

**ABUOMA NA AZIZA YA 103: 1, 24, 29-30, 34 Az. 30**

***Aziza: Onyenweanyi, zidata Mmuo Gi. Mee ka ihu uwa di ohuru.***

1. Mkpuru obi m, too Onyenweanyi. Onyenwe m na Chineke m, n'ezie I nweghi atu! I bara uba n'oru aka di iche iche. O bu Gi kere ihe juputara n'uwa nile. **Aziza**.
2. O buru na I napu ha ume ndu, ha alaa n'iyii, biakwa laghachie ghoo ntu. O buru na I zidatara ha Mmuo Gi, ha ghoo ihe e ekere eke. I wee mee ka ihu uwa di ohuru. **Aziza**.

3. Ka ebube nke Onyenweanyi digide ruo mgbe ebighi ebi. Ka Onyenweanyi nuria onu n'oru aka Ya. Ka ihe m buru n'abu di Ya mma n'obi. Aga m anuri onu n'Onyenweanyi. **Aziza**.

**IHE OGUGU NKE ABUO KORINT 12:3-7, 12-13**

***Isi Okwu: E meela anyi nile mmirichukwu n'ime otu Mmuo Nso ahu.***
Ma ugbu a, achoro m ka unu ghota nke oma na o dighi onye o bula na-ekwu okwu site n'odudu Mmuo nke Chineke, na-asi: "Jesu bu onye a buru onu." O dighikwa onye o bula puru ikwuputa na, "Jesu bu Onyenweanyi" ma o bughi site na nduzi nke Mmuo Nso. Onyinye amara di iche iche di, ma otu Mmuo Nso ahu na-enye ha nile. Oke ije-ozi di iche iche dikwa, ma otu Onyenweanyi ahu ka a na-ejere ozi. Udi ike di iche iche nke e ji aru oru dikwa, ma otu Chineke ahu na-etinye ike ndi a n'ime onye o bula iji jee ozi. O na-enyekwa onye o bula amara igosi ike nke Mmuo Nso maka odimma mmadu nile. N'ihi na dika ahu mmadu si buru otu, ma biakwa nwee otutu akuku ahu, otu a ka Kristi dikwa. Ma o bu ezie na akuku ahu mmadu di ototu, ma ha nile jikoro onu buru otu ahu. Ebe o bu na e meela anyi nile mmirichukwu n'ime otu Mmuo Nso ahu, anyi abanyela n'otu ahu nke Kristi ahu, ma anyi bu ndi Juu ma obu ndi Grik, ma anyi bu ndi ohu, ma o bu ndi nweere onwe ha. E mekwaala ka anyi nile nuo obara Ya n'ime njiko nke otu Mmuo Nso ahu.
***Okwu nke Oseburuwa.***
***Ekele diri Chukwu.***

**UKWE OMA**

1. Bia, bia Mmuo Nso, Oseburuwa nk'ihe, si n'eligwe zidata ihe Gi, Ihe Gi n'amuke amuke (**Also Refrain**)
2. Bia O Nna, ndi ogbenye, wer'onyinye nke ntasi obi bia; bia, Onye bu ihe ndi nile di ndu. **Ref.**
3. Ngi Onye ntasiobi kasi mma; Ngi b'onye obia n'enye anuri n'obi; Ngi Onye n'enyenwo ndu. **Ref.**
4. N'olu, Ngi bu ezumike, n'okpomoku, Ngi bu ndo; na nsogbu, Ngi bu Ntasi obi! **Ref**.
5. Ihe di anwu anwu, Ihe Mmuo di Ngozi; Chajuo n'ime obi ndi nile kwerenu. **Ref**.
6. I wepu Grasia Gi, onweroz'ihe di n'ime mmadu dizi ocha; Iheoma di n'ime ya apua; o buruzia ihe rur'aru. **Ref.**
7. Biko sachapu atutu njo anyi; gbasa mmiri n'obi kporo nku; gwoo oria anyi ga. **Ref.**
8. Tinye ume ala n'obi siri ike; munye oku n'obi juru oyi; duzie ndi n'ejeghie uzo. **Ref.**
9. Nye ndi kwerenu, ndi chekwubere na Gi; ndi n'efe Gi, Onyinye asaa Gi di aso.**Ref.**
10. N'isi njedebe, nye anyi nzoputa; n'ugwo diri ezi omume; Nye anyi anuri ebebe Amen, Alleluia!!

**ALELUYA**
Aleluya, aleluya! Bia Mmuo Nso, nojuo n'obi ndi kwerenu. Munye n'ime ha oku nke ihunanya Gi. Aleluya!!!

**OZIOMA JON 20:19-23**

***Isi Okwu: Otu Nna m siri zite m otu ahu ka m si eziga unu. Naranu Mmuo Nso***

Na mgbede nke ubochi Uka ahu, bu ubochi mbu n'izu, Umuazu Jesu zukoro, kpochie uzo n'ihi egwu ndi Juu. Mgbe ahu, Jesu biara, guzo n'etiti ha, si ha: "Udo diri unu!" Mgbe O kwusiri nke a, O gosiri ha aka Ya na akuku Ya. Ya mere, Umuazu Ya nuriri onu mgbe ha huru Onyenweanyi. Jesu wee sikwa ha ozo: "Udo diri unu! Otu Nna M si zite M, otu ahu kwa ka M si eziga unu." Mgbe O kwusiri nke a, O kusara ha ume, si ha: "Naranu Mmuo Nso. O buru na unu agbaghara onye o bula mmehie ya, a gbagharala onye ahu. O burukwa na unu aju igbaghara onye ahu mmehie ya, a gaghi agbaghara onye ahu."
***Ozioma nke Oseburuwa.***
***Otito diri Gi Kristi.***

**EKPERE NHUNYE**
Chineke puru ime ihe nile, biko nye anyi amara ahu Nwa Gi kwere anyi na nkwa; ka Chukwu Mmuo Nso wee nye anyi nghota zuru oke n'ihe nile gbasara aja nke Misa, were kpughekwuere anyi ihe nile bu eziokwu. Site na Kristi Dinwenu anyi.

**EKPERE ANATACHAA ORIRI NSO**
Onyenweanyi, biko, were oriri nso nke a anyi natara nye anyi agam n'ihu; ka anyi wee na-enwe inu oku nke Mmuo Nso ahu I hukwasara ndi Umuazu n'uzo puru nnukwu iche. Site na Kristi Onyenweanyi.



# [PENTECOST SUNDAY REFLECTION]



The strong winds of the hurricanes and storms leave us with devastating effects that sometimes, we are not fully recovered from the losses. The wild fire that rages of natural conservation and homes each year leave many homeless. The sound from a bomb explosion anytime leaves us scampering and running for safety and always in a state of shock. But the sudden noise from the sky like a strong driving wind on Pentecost brought people together looking and searching for meaning. "His approach is gentle, his presence fragrant, his yoke light; rays of light and knowledge shine forth before him as He comes". St. Cyril of Jerusalem. Tongues of fires rested upon the apostles and they were filled with the HOLY SPIRIT which empowered them to speak in tongues as people of different languages understood them speaking in their respective languages. The Lord fulfilled His promise of the Holy Spirit, the third person of the Most Blessed Trinity and the Advocate who will empower and teach them all the truths. Different gifts (charisma) were given to the followers to use in working for the common good. The Holy Spirit comes to save, heal, teach, admonish, strengthen, console, comfort, deliver, enlighten, defend, liberate and to give. Come Holy Spirit and fill the hearts of the faithful. Happy Pentecost



**Produced by ICC Choir**